# MMETỤTA EGWU IMO ỌKA NA NDỤ NDỊ ỌKA N'OGE GBOO NA N'OGE UGBU A

**Precious Ujunwa Ekwenugo**
Dept. Igbo, African & Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ekwenugoprecious84@gmail.com
**&**
**N.M. Nnyigide**
Dept. Igbo, African & Communication Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
nm.nnyigide@unizik.edu.ng

**Abstract**
Historical evidence shows that in pre-colonial times, Egwu Imo Ọka served as a critical period for fostering social cohesion among the people of Ọka. The festival was characterized by the renewal of kinship ties, as brothers reconnected with brothers, friends with friends, relatives with kin, and in-laws with in-laws. Through this cultural celebration, the Ọka people sustained strong interpersonal relationships and communal harmony. It was regarded as a season of collective joy and cultural reaffirmation in Ọka town. However, contemporary realities reveal a significant departure from this ideal. Currently, familial and communal bonds have weakened such that brothers are estranged from one another, relatives no longer interact, and friendships have diminished. Moreover, participation in Egwu Imo Ọka is now largely dominated by non-indigenes residing in Ọka, while many indigenes withdraw and remain indoors during the festival period. The present celebration is also associated with a rise in violent incidents, including assault, life-threatening attacks, homicide, and bloodshed. These developments constitute the motivation for this study. The objective of this research is to identify strategies for curbing the criminal activities associated with the festival and to propose measures for restoring _Egwu Imo Ọka to its original status as a platform for unity and social interaction. This study adopts a survey research design and a review of relevant literature related to the subject matter. Findings indicate that the social vices currently affecting Egwu Imo Ọka are not primarily attributable to the indigenous Ọka people, but are largely perpetrated by non-indigenes resident in Ọka. It is anticipated that this study will contribute to efforts aimed at restoring Egwu Imo Ọka to its traditional form, particularly with respect to the values of relationship building and communal solidarity that it embodies. Consequently, the study recommends that custodians of culture and other relevant stakeholders of Egwu Imo Ọka collaborate to promote and revitalize the cultural significance of the festival in contemporary society through increased scholarly research and sustained community engagement.

## Ụmị Edemede

Nchọpụta na-egosi na n'oge gboo Egwu Imo Ọka bụ oge nwanne na nwanne, enyi na enyi, ikwu na ibe, nwadiana na ọgọ na-eji ejekọrịta. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ site na ya ka ndị Ọka ji enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ọ bụ oge aṅụrị n'obodo Ọka n'oge gboo. Ma taa, nwanne amazịghị nwanne ya, ikwu amazịghị ibe ya nke enyi ji ama enyi ya. Egwu Imo Ọka bụzị ndị mbịambịa bụ ndị so ndị nweala biri na-apụtakarịzị na ya. Onye ọbụla na-anọzị n'egwu oge ọbụla Egwu Imo Ọka na-eru nso. N'ihi imerụ mmadụ ahụ, itinye mmadụ n'ọnọdụ ọnwụ ka mma, igbu mmadụ na ịkwafu ọbara juru ebe niile oge ọbụla a na-agba Egwu Imo Ọka. Ọ bụ ọnọdụ a kpalitere ederede a. Ebumnobi nchọcha a bụ ka a chọpụta ụzọ a ga-esi weta mpụ ndị a n'isi njedebe ma zipụtakwa ụzọ ga-enye aka mee ka Egwu Imo Ọka dịkwa ka ọ dị na mbụ. A ga-agbaso atụtụ nkọmịrịkọ n'ọrụ a ma  ma nyochakwaa ụfọdụ ederede nchọpụtaga dabara n'isiokwu a. Nchọcha e mere na-egosi na nsogbu batarala n'Egwu Imo Ọka abụchaghị ndị Ọka ka o si n'aka, kama ọ bụ ndị mbịambịa bụ ndị bi n'Ọka so eweta nsogbu ndị ahụ. A na-atụ anya na ederede a ga-enye aka mee ka eweghachite Egwu Imo Ọka azụ dịka ọ dị n'oge mbụ maka mmekọrịta na njekọrịta dị na ya. N'ihi nke a, ọrụ nchọcha a na-atụnye aro ka ndị omenala na ndị ihe gbasara Egwu Imo Ọka na-amasị gbakọọ aka ọnụ n'ịkwalite na n'iwulite ọnọdụ mmetụta Egwu Imo Ọka n'oge ugbu a site n'imewanye ọtụtụ nchọcha gbasara ya.

**Ndubanye**

Egwu Imo Ọka na ndụ ndị Ọka n'oge gboo bụ ihe ndị Ọka nyere ọnọdụ dị elu. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ site na ya ka ndị Ọka ji enwe ezi mmekọrịta n'etiti onwe ha. Ha na-esite n'ịgba Egwu Imo Ọka ejekọrịta n'etiti onwe ha bụ nke kwesịrị ekwesị, maka na ọ bụ njerịta ka nwanne ji ama nwanne ya. N'oge gboo Egwu Imo Ọka bụ oge nwanne na nwanne, enyi na enyi, ikwu na ibe, nwadiana na ọgọ na-eji ejekọrịta ma na ahụkọrịta onwe ha. Ma taa, ọnọdụ ndị a akwụdozighị ike dị ka ọ dị na mbụ. Nke a bụrụ n'ihi nsogbu ndị ahụ batarala n'Egwu Imo Ọka bụ igbu mmadụ, imerụ mmadụ ahụ na ịkwafu ọbara. O nwekwara ụdịdị nri dị iche iche a na-esi n'obodo Ọka n'oge a na-agba Egwu Imo Ọka nke onye ukwu na onye nta na-echekwudo iri n'ụbọchị ahụ. N'oge ugbu a ụfọdụ ndị Ọka amazighị nke ekwe na-akụ gbasara isi nri ndị ahụ. Mmọnwụ na-ejupụta ebe niile n'oge gboo oge a na-agba Egwu Imo Ọka. Nke a mere na ọ na abụ ihe na-enye obi ańụrị n'ihi na mmọnwụ na-achụgharị onye elu na onye ala, ndị mmadụ na-agbagharị ebe niile n'ihi mmọnwụ na-achụ ọsọ.

Ogbe ọbụla n'Ọka nwere osonọgbọ nke ha. Ọ bụ osonọgbọ nke ogbe nke gi ka ị ga-akwụnyere n'azụ ma na-agbagharị ganye na Imo Ọka ebie. A na-asọkwa mpi mmọnwụ. Nke a bụ ịmata ndị ogbe mepụtara mmọnwụ ọhụrụ, ndị mmọnwụ ha ka maa mma na ndị kara nwee mmọnwụ n'ọnụ ọgụgụ. Ogbe ọbụla na-anọkwa n'akụkụ nke ha akụpụrụ ndị nke ha aka ma na-etokwa ha.

Ma taa, bụzị ịmata onye ka ibe ya ike na onye nwere ike na-emeru mmadụ ahụ, igbu mmadụ na ịkwafu ọbara bụzi asọmpi ndị ọgbaraọhụrụ nke oge ugbu a jizi amata onye ka ibe ya na ogbe. Ọnọdụ a kpalitere ọrụ nchọcha a. A ga-esite n'ọrụ nchọcha a mee ka ndị ọgbaraọhụrụ mata na Egwu Imo Ọka abụghị imerụ mmadụ ahụ na ịkwafu ọbara ka e ji wube ya kama ọ bụ n'ihi iji nwe obi ańụrị na iwulite omenala na nkwenye ndị Ọka ma site n'otu aka ahụ hanye ndị ọgbaraọhụrụ nsirihụndụ ha n'aka.

**Ntụleghar̥ị Agụmagụ**

A tụlere ederede dị iche iche ndị ọkammụta na ndị odee derela gbasara isiokwu nchọcha a. nke a bụ ka e wee chọpụta ebe ọrụ ha si yite maọbụ dị iche n'ederede a, nakwa iji mata mperi a ga-eji ọrụ nchọcha a mechie n'ọrụ ha. A ga-akọwakwa ọkpụrụkpụokwu ụfọdụ iji mee ka nchọcha dowaga anya nke ọma.

**Nkọwa Ọkpụrụkpụokwu**

Ha gụnyere omenala, Egwu Imo Ọka, mmemme. Ndị ọkammụta na ndị ode dị iche che enyeela nkọwa gbasara okwu a bụ omenala ma otu ihe gbasara elu na nkọwa ha niile bụ na ọ bụ ụzọ agbụrụ, obodo na ka ndị si ebi ndụ ha.

Omenala bụ usoro obibi ndụ ndị mmadụ. Ọ bụkwa ihe ntụziaka na-akọwa ka obodo si eme ihe.

Eze (2020) kọwara na omenala Igbo bụ etu ndị Igbo is ebi ndụ ha, nke gụnyere etu ha si eke ekike, asụ asụsụ, ekele mmadụ, ekpe ekpemekpe, usoro iwu ha, alụm di na nwunye ha, ịnabata onye ọbịa, aka ọrụ ha, ọrụnka ha, mwube na nkwenye ha na ndị ọzọ. Omenala Igbo gbadokarịchara ụkwụ n'imepụta ihe dibu adị n'ala Igbo. (Ọdịnala) ọ na-agbakwazị ụkwụ n'ọnọdụ mmemme. Ya mere, omenala Igbo nwere njirimara atọ pụtakarịchara ihe. Ha bụ, mmemme, usoro na oge. Nkọwa a pụtara na omenala Igbo ga-enwerịrị usoro ọnọdụ atọ ndị a, ndị gụnyere mmemme nke zipụtara ọdịnala n'ime ya. Nke abụọ bụ usoro a na-agbaso eme ya, nke atọ bụ oge e ji eme ya.

Ogbalu (1981:12) sị: Mgbe a na-ekwu maka omenala Igbo, ọtụtụ ihe ka e bu n'uche dịka ịdị ndụ ndị Igbo, etu ha si eme omume, agwa ndị mmadụ na-akpaso ibe ha, asụsụ na nkwenye, ekpemekpe na ihe ha na-eme, ọrụ ha na-arụ, etu ha si ezipụta ọrụ na iru ụjụ, ebimdụ ha, dị ka otu ha si arụ ọrụ, enwe mmekọrịta, ka ha si azụ onwe ha, enyere onwe ha aka, nri ha na-eri na etu ha si ewe ihe.
Nkọwa Ogbalu na-egosipụta ka o siri metụta omenala Igbo na omenala mba ndị ọzọ,

Ezeuko (2009:5) si kwu, omenala bụ ụzọ ndị si eme ihe ha, nke mere ka ha dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ. Nke a pụtara na omenala ka e si amata ebe mmadụ siri bịa bụ nke onye ahụ na-egosipta n'ụzọ dị iche iche iji gosi na ọ bụ ebe a maọbụ ebe ọzọ ka o si pụta.

Ebisi (2015:31) kọwara omenala na omenala ndị Igbo bụ nchịkọta ekerechi nke mmadụ tinyere ihe niile si n'uche mmadụ pụta ma bụrụ ihe a nabatara anabata. Nkọwa a gosiri n'omenala bụ nkwenye ndị si n'ụbụrụ mmadụ pụta na usoro e si eme ihe dị iche iche nke otu maọbụ mba ahụ nabatara.

**Egwu Imo Ọka**

Egwu Imo Ọka bụ mmemme ndị Ọka na-eme ha ji aja onwe ha ike maka mmeri ha nwere n'ọgụ ha lụrụ n'oge gboo nke ọ bụ Imo Ọka nyeere ha aka ha wee nwee mmeri a. Oge ana-eme mmemme a, a na-eti mmọnwụ dị iche iche nke na Ogbe ọbụla na-achọ ka a sị na ọ bụ nke ya kacha maamma. A na-etikwa egwu na-eme mkpọtụ ebe niile. Ndị mmọnwụ na-achụgharị ndị mmadụ ebe ndị ntorobịa na-apịa ụtarị nke ha ji amata ike ka ike. Imo Ọka bụ Imo Ọka Akete ka e ji mara ya. Dịka ndị a gbara ajụjụ ọnụ si wee kọwaa, Imo Ọka Akete bụ ọgwụ a gwọrọ agwọ. Ọ bụ maka agha ka e ji weta ya n'obodo Ọka. Egwu Imo Ọka ebidoghị mgbe Ọka bidoro, kama a kọwara na ọ bụ n'ihi na o teela aka ọ dị. Ihe ọzọ bụ na ndị na-efe Imọ Ọka ofufe nyere aka mee ya ka a ga-asị na ọ bụ otu n'ime omenala bidoro mgbe Ọka bidoro.

Otu nwoke a maara nke ọma n'Ọka bụ Isaiah kwuru na Imo Ọka bụ arụsị; na ọ bụghị omenala ndị Ọka; na ọ bụ ndị na-efe ya kpọrọ ya Ekeresimesi ndị Ọka. N'ụfọdụ ndị so agba ya bụ Egwu Imo Ọka amakwaghị na ọ bụghị sọ ọgwụ a gwọrọ agwọ. Ihe ọzọ o kwuru bụ na ndị na-efe ya na-aghọrị ndị amaghị aka nri na aka ekpe ha. Nke a wee bụrụ ụzọ ha si arata ndị mmadụ n'obi Imo Ọka. Kama ha ga-asị na o nwere ihe a ga-eme n'Imo Ọka ka onye ọbụla maara na ọ bụ onye na-ekpere arụsị bịa, ha asi na o nwere ihe a ga-eme n'Imo Ọka; ka onye ọbụla na-eme omenala bịa. Ọ gara n'ihu kwuo na omenala ndị ya maara Ọka nwere bụ ndị a: usoro alụmalụ di na nwunye, ichi ọzọ maọbụ ajaghịja, ịkwa ozu, wdg. ọ sị na n'ihi ya na Imo Ọka bụ nke ya na-ekwusi ike na ọ bụ arụsị.

Okenye ọzọ bụ Nnake kọwara na ihe kpatara e ji weta Imo Ọka bụ na ndị Ọka bụ ndị e ji ipụ ije mara nke ọma. Nke a mere n'oge gboo na ndị ọzọ bịara Ọka bichie na-achụ ndị Ọka ka ha chụpụ ha na be ha. Ọ bụghị naanị nke a, ha na-atọrị ndị Ọka n'otu n'otu. Nke a mere ka ndị Ọka tụkọọ aro ọnụ ịchọpụta ụzọ ha ga-esi azọ onwe ha. Ha mechara chọpụta na ọ bụ ije gwọta ọgwụ ka ha wee chekwaba onwe ha maka ndị na-abịa emekpa ha ahụ. Nwagba (2005:12) kwenyere nke a, sị n'oge gboo ndị ntọrị mmadụ mekpara Ọka ahụ. N'ihi nsogbu a ka ndị Ọka ji tụkọọ aro ọnụ, tụpụta ije "taksi" dị ka ha si akpọ ya. Ihe nke a pụtara bụ na afọ ọbụla o nwere ndị ga-anọdụ n'ụlọ maka nchekwaba obodo, nwee ndị ga-apụ njem n'afọ ahụ. Ọ kọwara na ndị pụọ n'afọ a, n'afọ ọzọ na ndị ahụ ga-abụzị ndị ga-anọdụ ala chekwaba obodo ha ebe ndị esoghị pụọ nke afọ gara aga ga-abụzị ndị ga-apụ ije ha. Nke a bụrụ nnukwu ihe nyeere ha aka iji mee ka ntọrị belata.

Ebe ndị Ọka gwọtara ọgwụ a bụ Imo Ọka bụ na mpaghara Igala nke a na-akpọ Akpọtọ. Ọ bụ ezie na ọ bụ Ọka niile kwekọtara maka ịga njem a, ma ha dị ogbe ise bụ ndị Ọka họpụtara maka njem a. Ha bụ Ikwo nke pụtara Amikwo, Ogbunu nke pụtara Ụmụogbunu, Ụzụọcha nke pụtara Ụmụzọcha na Eleke nke pụtara Ụmụeleke. Ihe Ọka ji họpụta ogbe ndị a bụ na ha bụ ndị maara asụ asụsụ dị iche iche, ọ kachasị asụsụ Igala, maka na ọ bụ mpaghara ebe ahụ ka ezi ije ha dị. N'ihi na mgbe gboo bụ dibịa gwọchaara mmadụ ọgwụ, onye ahụ egbuo ya ka ọghara ịgwọrọ onye ọzọ nke ga-eme na ọ ga-enwe onye ga-amata ụzọ a ga-esi mebie ọgwụ ahụ. Nke a mere ka ndị Ọka kpụrụ nwadibia ahụ kpụlata Ọka ma debe ya n'obodo a na-akpọ Ọkpụnọ Ọkachi, lụnye ya nwaanyị ma debe ndị na-echebe ya nche ka ọ ghara ịgbapụ. Ha ga na-akwụ ndị nche ahụ ụgwọ. Ọ kọwara na ihe kpatara na ndị Ọka egbughị ya bụ na ha bụ ndị na-achọghị ịdị na-emepụ ọbara mmadụ ibe ha ma ya fọdụzịe nke igbu mmadụ egbu. Ha dobere ya ebe ahụ ka ọ nọrọ ndụ rue mgbe ya na chi ya kpebiri, ka ọnwụ ya ghara isite n'aka ha.

Oge ndị Ọka wetara Imo Ọka n'Ọka, ha chọbara ogbe ga-echekwaba ya nke ọma. Ọ bụ site n'ogbe iri atọ na atọ e nwere n'obodo ka ha kirichara wee sị na ọ bụ ndị Amachala ka ha ga ahanye ya n'aka. Ọ bụ n'ogbe Amachala site n'Ọgborodo Ụmụeleke ka ndị Ọka nyere ikike ịbụ ndị ga-ejide ọfọ Imo Ọka.

Nnake kọwara na ihe kpatara nke a bụ na Ịgala bụ ezi ije ndị Ụmụeleke. Ọzọ bụ na Chukwura Ikegbunam bụ onye si Ọgbọrọdọ Ụmụeleke, nne mụrụ ya bụ onye Ịgala. Ọ bụ onye mara asụ Ịgala nke ọma. O mere ka a mata na ọ bụ asụsụ Ịgala ka Imo Ọka Akaete na-anụ nke ọma, ya bụ, na ọ bụ ya ka e ji agwa ya okwu.

Nke a ka dị ire ruo taa na ọ bụ ogbe a ka e si enweta onye ga-abụ Eze Imo Ọka . Nke a bụ otu ihe dị ọkpụtọrọkpụ n'ogborodo a ma ruo taa. N'agbanyeghị na ọ bụ n'ogbe a, a na-akpọ Amachala ka onye na-ejide ọfọ Imo Ọka si apụta. Nnake gara n'ihu kọwaa na ọ bụ ezie na ọ bụ ya bụ onye ahanyere nnabata ndị mmadụ bụ ndị na-abịa n'Imo Ọka n'oge a niile n'aka, ma nke a emebeghị ya ịbụ Ezemmụọ n'ihi na Imo Ọka ekwubeghị na ọ bụ ya bụ onye ya chọrọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na Imo Ọka nwere ụzọ o si egosipụta onye ọ chọrọ ka ọ bụrụ ya bụ Ezemmụọ. Otu ụzọ a bụ mbe ịbata na be onye ahụ. Ọ bụ mgbe mbe batara na be onye ahụ ka onye ahụ ga-amata na Imo Ọka ahọpụtawo ya. Mgbe ihe dị otu a mere, onye ahụ na-akpọ ndị mmadụ bụ ndị ga-abụ ndị nkwado ya na ọ bụ eziokwu na ha so ya wee hụ mbe ahụ batara be ya. Ọ bụzị oge ahụ ka onye ahụ ga-esipụrụ Imo Ọka nri ma mee emume nke igosipụta obi ụtọ ya maka nhọpụta Imo Ọka họpụtara ya ijere ya ozi. Oge ahụ ka ihe niile o kwesịrị iji jee ya bụ ozi ga-abanye ya n'aka tinyere ọfọ Imo Ọka. Ndị mmadụ ga-ebido kpọbazịa onye ahụ Eze Imo Ọka.

Ezenwanne kwuru na ihe ọ maara bụ na Imo Ọka bụ ọgwụ agwọrọ agwọ bụ nke e si n'Igala gwọta maka nchekwaba Ọka ma bụrụkwa nke ndị Ọka niile kwekọtara ije gwọta maka mmekpa ahụ ndị mmadụ ọjọọ na-emekpa ha mgbe gboo. Nkwoke kọwara na ọ bụ dị ka e si agwọta ọgwụ maka ọrịa ụmụaka bụ ihe ọdụdọ edobe n'ụlọ iji rụọ ọrụ oge ọ malitere ka Ọka si gwọta ọgwụ a bụ Imo Ọka maka nchekwaba obodo ha; na ọ bụghị arụsị kama ọ bụ ọgwụ a gwọrọ iji chekwaba obodo.

**Mmemme**

Ofomata (2013) kọwara na mmemme bụ usoro ọdịnala ndị Igbo ji mmegharị ahụ egosipụta ọtụtụ ihe. E nwere ike ikwu na ọ bụ emume a na-emere onye a ma ama kwa afọ maọbụ ihe mere eme maọbụ owuwe ihe ubi nke ngwaahịa dị mkpa. Mmemme nwekwara ike ịbụ omenala nke nwere usoro ihe ngosi nke ọrụ na nka a mara ama, na-etinyekarị aka na otu onye na-ese ihe maọbụ ụdị. Mmemme na-eweta ịdị n'otu, ịdị ndụ na obi ụtọ. Mmemme bụ emume agbụrụ maọbụ mba na-eme e ji mara ha, nke a haziri ahazi nwere usoro a na-agbaso eme ya. Egwu Imo Ọka bụ nnukwu mmemme e ji mara Ọka ha na-eme nke onye amaghị maka nke a, ị mara na onye ahụ amaghị maka obodo Ọka nke ọma.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ bụ ihe e ji enyocha ederede. Nke a na-enye aka ịchọpụta eziokwu gbasara ya. E nwere atụtụ dị iche iche e ji enyocha agụmagụ ma atụtụ a ga-agbaso n'ọrụ nchọcha a bụ atụtụ nkọmịrịkọ. Atụtụ nkọmịrịkọ bụ nke na-elebakarị anya n'ime nhụmaama dị iche iche na-apụtakarị ihe n'ọrụ agụmagụ. Ọ bụ n'afọ 1934, mgbe Maud Bodkin bipụtara Archetypal patterns in Poetry. Onye bụ onyeisi atụtụ a bụ Carl Gustav Jung. Ndị ọzọ kwadoro ya gụnyere: Joseph Campbell, Robert Graues, Leslie Fieldlar, Northrop Frye, Maud Bodkin, Wilson Knight. Dg. Atụtụ a malitere dịwa ire n'agbata afọ 1950 na 1960.

Guerin (1992:6) na-ekwu na onye onyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị n'ebe akụkọala, akụkọ okike na akụkọ ndụ chi dị iche iche dị. Na nchọpụta ya, o mere ka a mata na ọtụtụ ndị ọka na ndị nkuzi agụmagụ enwekebeghị mmasị n'atụtụ a n'agbanyeghị mkpa ọ dị, maka na o hibere isi n'otu nzuzo. Ọzọ, Dobie (2012:62-62) kwadoro n'atụtụ a na-amụ maka isiokwu motif, nhuru n'uche nakwa ihe nhụmama pụtakarịchara ihe ugboro ugboro n'agụmagụ nhụrụnuche ndị a na ezipụta otu ụdị mmetụta n'agbụrụ niile, mgbe ọbụla a kpọtụrụ ha aha. O kwenyekwazịrị na onye onyocha atụtụ a na-enwekarị mmasị n'ebe akụkụala, akụkọ okike na akụkọndụ chi dị iche iche dị. Dobie n'ọmụmaatụ ya kọwara na agbụrụ ọbụla nwere odogwu, onye a na-ahụta dịka onye nzọpụta. Mgbe ọbụla a kpọrọ odogwu a, ọ ns-egosipụta na o meela ihe mmadụ nkịtị agaghị emenwu.

Abram (2005:13) mere ka a mata na a bịa na nnyocha agụmagụ, okwu a bụ ihe nhụmama na-egosipụta usoro akụkọ, ụdịdị emereme, ụdịdị agwa, isiokwu, na nhụrụnuche nke ọtụtụ n'ime ha na-apụtakarị ihe ugboro ugboro n'ọrụ agụmagụ.

Ogene (2020:35) kọwara ụfọdụ ihenhụmama e nwere n'agụmagụ dịka: (i) ụmụ nwaanyị, nke nwere ike ịpụta ezigbo nne, ajọ nne, dg (ii) miri nke nwere ike izipụtaoike, nsacha, ọmụmụ, ụtọ dg.
Atụtụ nkọmịrịkọ bara uru nke na ọ na-achọpụta ụzọ dị iche iche e si ezipụta nkọmịrịkọ n'agụmagụ. Ọ na-ezipụta ma na-enyekwa ezi nkọwa gbasra mgbama ọkpụ agwa na motif e zipụtara n'agụmagụ. Atụtụ a na-agbasokwa usoro izipụta nkwenye na nsirihụndụ ndị. Ọzọ bụ akụkọ gbasara okike ụwa, akụkọ odogwu, ihenhụmama, dg.

**Ntụlegharị Edemede Nchọpụtaga**

O nwebeghị isiokwu nchọcha ọbụla nke mmadụ ga-asị na edetụbeghị ihe gbasara ya. Ụfọdụ ndị ọkammụta edeela ihe n'isiokwu a bụ Egwu Imo Ọka.

Ekwenugo (2024) n'isiokwu ya bụ "Ntụlekọrịta Abụ Egwu Imo Ọka na ndụ Ndị Ọka n'oge Gboo na n'oge Ugbu a", gbasoro atụtụ ọkpụ mee nchọcha ya. Ọ chọpụtara na abụ Egwu Imo Ọka n'oge gboo na-akuzi eziakparamagwa, obibi ndụ ọma ma na-ezipụta ihe dị iche iche e ji mara ndị Ọka. Ebe abụ Egwu Imo Ọka nke oge ugbu a bụ naanị ajọ omume dị iche iche ka ọ na-akụziri ndị ọgbaraọhụrụ bụ nke na-akpata ndụ ha na-ebi ka a ga-asị na isi akpakọchara ha ọnụ. Ọzọ, bụ n'ụdịdị mmetụta Egwu Imo Ọka nwere na ndụ ndị Ọka n'oge gboo bụ ndị gụnyere: njekọrịta na nrikọrịta nke ụmụnne nke ịhụnanya na-apụta ihe na ya bụzị ihe kpụrụ afọ n'ala. Ọ bụ ọnọdụ a so kpalie mmụọ nwanchọcha iji bagide nchọcha a gbasara abụ Mmetụta Egwu Imo Ọka na ndụ Ndị Ọka n'Oge gboo na n'Oge Ugbu a, iji wee kọwapụta ụdịdị mmetụta Egwu Imo Ọka nwere n'oge gboo bụ nke a na-eńomi eńomi na mmetụta nke oge ugbu a nke abụghị njirimara ndị Ọka.

Ajaegbu (2024) na nchọcha ya o mere n'isiokwu ya "Mmanye Egwu nke ndị Mmọnwụ na Omenala na-ala azụ n'emume Igbo nke oge a" Nchọpụta a gosịrị na a na-esite n'iti mmadụ ihe oge a na-eme emume mmọnwụ na egwu Imo Awka butere ọgbaghara dịka ịlụ ọgụ, igbu mmadụ na mma, igbu mmadụ n'égbè, nakwa ihe ọjọọ ndị ọzọ. Nke a na-emebi aha omenaala ma na-ebute aha ọjọọ nye obodo nwe omenaala ahụ. Nchọcha a kpughere ọghọm si na mmọnwụ ịpịa ndị mmadụ ụtarị nke na-eme ka ùgwù omenaala ahụ na-ala azụ.

Ezenagu (2024) mere ka a mata site n'isiokwu ya "Njikọ mmemme ọdịnala ndị Ọka maka nkwalite ihe njem nlere anya". Ọ chọpụtara na emume Imo Ọka bụ njirimara ndị Ọka nwere ngosipụta ọdịbendị. Ọ chọpụtakwara na Imo Ọka dịka ihe mkpuchi nke ọdịnala na-arụ ọrụ nchịkọta na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

**Nchịkọta Ntụlegharị Agụmagụ**

O kwere nghọta na o nweghị onye ga-asị na e detụbeghị ihe ọbụla n'isiokwu ọbụla ọ chọrọ ide. Mana nchọpụta na-egosi na o nwebeghị nchọcha e merela gbadoro ụkwụ kpọmkwem na mmetụta Egwu Imo Ọka na Ndụ ndị Ọka n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ọ bụ ọnọdụ a kpalitere ọrụ nchọcha a iji wee mechie mperi dị n'ọrụ ahụ yitere ọrụ nchọcha.
Ka osiladị, echiche niile ndị odee zipụtara banyere isiokwu a bụ Egwu Imo Ọka  na ndụ ndị Ọka dịcha mma n'ụdị ha, mana o nweghị nke ọbụla n'ime ha a ga-eji nọchie anya edemede nchọpụta a, n'ihi na ọdịghị nke ọbụla n'ime ha zipụtara ihe banyere Mmetụta Egwu Imo Ọka na ndụ ndị Ọka n'oge gboo na n'oge ugbu a. Ọ bụ nke a mere o ji dị mkpa na nwanchọcha mere edemede nchọcha a, n'ihi na ọ ga-atụnye ụtụ nke ya n'ihe gbasara amụmamụ, Egwu Imo Ọka ma mee ka nchọcha gbasara Egwu Imo Ọka bawanye ụba.

**Ntụcha Nchọpụta**

**Mmetụta Egwu Imo Ọka  na Ndụ ndị Ọka n'Oge Gboo na Oge Ugbu a.**

N'oge gboo a na-eji itipụta mmọnwụ ọhụrụ a mata ogbe ndị bụ odogwu ụbọchị a na-agba Egwu Imo Ọka. Mmọnwụ abụkwaghị otu mmọnwụ maọbụ abụọ, kama mmọnwụ ruru ihe ga-adị iri abụọ gbagobe ma bụrụ ụdịdị otu mmọnwụ nke ga-eme ọ bụrụ na ogbe ndị dị otu a, na-aga ndị ogbe ndị ahụ si na ya ana etu ha aha dị iche iche na ha amaka, na ha dị ka ha na-adị. Ndị ọzọ na-eso eto ndị dị etu a. Onye amaghị ga na-ajụ ka ọ mata ogbe ndị na-aga mara mma ahụ.  Ihe niile a bụ ihe Egwu Imo Ọka ji bụrụ ihe na-enye aṅụrị n'oge gboo. Ihe ọzọ bụ na ụmụnwaanyị na-ebu oche anọdụ ala n'akụkụ ụzọ oyibo bido na mgbago Ameanyi rue  oke Amaọbịa na Ọka. Ha na-ebu oche nọdụ ma na-ekiri mmọnwụ. Oge mmọnwụ chụrụ mmadụ ọsọ ọ gbara gbabata n'ebe ụmụnwaanyị nọ, ha ebido tiwe mkpu dị otu a:

Okoo koo koo, Igbo bịa hụrụ ihe ooo.

Oge ọbụla ha tiri mkpu dị otu a, mmọnwụ ahụ chụrụ mmadụ ọsọ gbakpuru n'ebe ụmụnwaanyị nọ na-alaghachi azụ ma hapụ onye ahụ. N'aka nke ọzọ bụ na abụ ndị a na-abụ oge bụ ndị ahụ na-enwe ezi nkuzi na ndị na-ezipụta omenala na nsirihụndụ ndị Ọka. Ọ bụ abụ ndị a na-eme ka ụmụaka na-eme omume kwesịrị ekwesị. Oge a na-abụ abụ ndị a, onye ọbụla na-eso ndị ogbe nke ha kpọmkwem. A naghị agbasasị agbasa dị ka e si agbasa n'oge ugbu a. Ogbe ọbụla nwere ebe ha na-agbakọta nọrọ tupu ha ebilie ije. N'oge gboo, nne na nna nwere ike ịhapụ nwa ha nwoke dị agbata afọ asatọ gbagobe a mara na onwebeghị ihe ọ maraka o soro ndị be ha gaa Egwu Imo Ọka. Nke a bụ n'ihi na ọ bụ otu ahụ e si si n'ogbe pụọ ka ha ga-esi lọghachi azụ. Onye ọbụla ahụghị a na-achọta ya ma hụ na akpọlatara ya ndị mụrụ ya. Ọ bụ ndị ụmụaka ndị obere ahụ ka a na-ahapụ n'ihu. Ha na-eji otu ụtarị n'aka ma nọrọ n'ihu ebe ndị okenye na-eso ha n'azụ. Mmọnwụ ọbụla ogbe ọbụla na-enwe akara nke ga-eme ka a mata ndị nupuru isi n'ụbọchị ahụ. Ọ bụ akara a na-eme na onye ọbụla mere ihe ọjọọ a chọta ogbe o si ma nye ya ahụhụ dịịrị ya. N'ihi nke a, onweghị onye na-achọ ka o wetere ndị be ha aha ọjọọ. Onye ọbụla na-agba mbọ hụ na ọ gbanahụrụ nsogbu ụbọchị ahụ.

Ọzọkwa n'oge gboo, oge ọ fọdụrụ ụbọchị abụọ ka a gbaa Egwu Imo Ọka, a na-akụ ekwe gaghar ịa Ọka gburugburu ma gwa ndị ọbịa bụ ndị mbịambịa bi n'Ọka na Egwu Imo Ọka bụ ụbọchị dị otu a, n'ihi ya ka ha laa be ha ma laghachi azụ oge ha bụ ndị Ọka gbachara Egwu Imo Ọka . N'oge ahụ ndị ọbịa na-ala be ha maọbụ gaa obodo ọzọ dị nso n'Ọka ma nọrọ oge a gbachara Egwu Imo Ọka  tupu ha alọta. Ụfọdụ na-anọ mana ha agaghị apụta ezi ganye na Egwu Imo Ọka ebie.

Akara e ji amata ogbe nke ọbụla a na-enye n'oge gboo maka iji chọpụta onye mere ajọ ihe bụzị ihe gara aga. Onye ọbụla na-emezi ka ọ maịsị ya. Ụmụaka enwezịghị nsọpụrụ. Ụfọdụ ndị nne na nna na-ejide ụmụ ha ka ha ghara iso gbaa Egwu Imo Ọka  maka mmerụ ahụ jupụtara ya. Ndị ọbịa sochazi na ndị na-agba Egwu Imo Ọka. Enwezịghị na ndị a bụ ogbe dị otu a. Ụfọdụ ogbe na-ekericha onwe ha nke mere na ha na-erucha n'otu n'otu ụzọ iri ma bụrụ otu ogbe ka ha bụ. Onye ọbụla na-amachapụta ebe sọrọ ya sonye n'ịgba Egwu Imo Ọka  ma soro gbaba. Onwezịghị onye mara ndị bụ ndị ọbịa na ndị bụ ndị Ọka. Ụmụnwaanyị anazịghị apụta n'igwe maka Opueke dị ka ọ dị na mbụ maka oke ihe ize ndụ jupụtara ebe niile.

N'ama egwuregwu ụfọdụ, ebe ụmụnwaanyị na-ebupụta oche anọdụ ala ekiri mmọnwụ n'oge gboo bụzị ndị ọgbaraọhụrụ na-anọzị ebe ahụ ma kpọta ndị na-eti egwu dobe ka ha na-etiri ha egwu. Ha na-anọ ebe ahụ eri nri dị iche iche ndị na-esi nri ahịa siri butere ha dị ka azụndụ, osikapa nke a na-akpọ sọọsụ, anụ ọkụkọ na ihe oriri ndị ọzọ e ji amata onye bụ odogwu maọbụ ọgaranya. Ha na-azụtakwa mmanya dị iche iche nke onye ọbụla bịara ebe ahụ nọdụala nwere ike were nke masịrị ya ṅụọ. Oge ụfọdụ bụ oke mmanya ha na-aṅụ na-ebute agwa ha na-akpa ka a ga-asị na isi adịchaghị ha mma. Ha na-ese ihe osise nke na-aba n'anya, bụ ndị na-ekopu ha isi ịlụ ọgụ. Nke a mere na onweghịzị onye na-amata ihe kwesịrị ka o mee. Dị ka n'oge gboo bụ itipụta mmọnwụ ọhụrụ ka e ji amata ogbe zuru onwe ha. Oge ugbu a bụzị tigbue zọgbue ka ha ji amata onye bụ dike. Egwu Imo Ọka  oge ugbu a bụ nke a na-ewebatachazị ma egbe, ube, mma na ihe ndị e ji emeru ahụ. Ihe ọjọọ niile a wee bụrụ n'ihi na abụ ndị ahụ kwesịrị ịdị na-agbazi agbazi na usoro niile ahụ a na-agbaso n'oge gboo bụ ndị na-enye aka ime ka egwu dị ndị ọgbaraọhụrụ n'anya bụzị nke ndị Ọka legharị anya.
Site n'usoro atụtụ nkọmịrịkọ n'inyocha ederede a gbasara mmetụta Egwu Imo Ọka na ndụ ndị Ọka.  A chọpụtara na ndị Ọka bụ ndị na-eji iti mmọnwụ eme odogwu n'ogbe n'ogbe iji mata ndị mmọnwụ nke ha kacha mma ma ka n'ọnụọgụgụ. A chọpụtakwara na ndị Ọka na-esite na-iti mmọnwụ ezipụta omenala na nkwenye ndị Igbo na mmemme Egwu Imo Ọka ha.

**Mmalite na Ọnọdụ Egwu Imo Ọka  na ndụ ndị Ọka**
N'ezie, ihe ọbụla na-eme nwere ihe kpatara o ji malite maọbụ ihe kpatara e ji mebe ya. Egwu Imo Ọka  bụ otu nnukwu mmemme e ji mara ndị Ọka taa. Nke bụ na onye gụba ọ gụghị a mara na onye ahụ amachaghị maka Ọka nke ọma. E nwere ihe kpatara ndị Ọka ji bido ịgba Egwu Imo Ọka. Ndị Igbo na-atụ ilu na-asị na ọ bụ ihe mere ede o jiri bee nwụịị. Ọ bụ n'ihi mmekpa ahụ ndị ntọrị mmadụ mekpara ndị Ọka n'ge gboo kpatara na ndị Ọka webatara Imo Ọka  ka ọ gbaara ha ọgụ ka ha wee merie ndị iro ha. Ọka mechara ma nwee ya bụ mmeri.

N'ihi na ndị Ọka kwenyere na ọ bụ Imo Ọka nyeere aka ha ji merie ndị iro ha na enyemaka nke egbe ha ji aka ha kpụta, mma, ụta na ube ha mere ka ndị iro ha gbaghachi azụ ma ruo taa. Ọ bụ n'ihi nke a mere ndị Ọka jiri tụọ aro maka ịja onwe ha ike na ikele Imo Ọka site n'iwepụta mmemme ịgba Egwu Imo Ọka .

N'aka nke ọzọ, ihe so kpalite ịgba Egwu Imo Ọka bụ na oge nwamadi ahụ aha ya bụ Okoli Ijeoma nwụrụ, ozi ọnwụ ya rutere ndị Ọka ntị na Okoli Ijeoma bụ onye mekpara ha ahụ abụrụla onye nwụrụ anwụ. Nke a mere ma nwoke ma nwaanyị ma okenye ma nwata n'Ọka gbara ọsọ gawa n'obi Imo Ọka, onye ọbụla a na-eweri egwu nke ya ka o si mụta. Nweke bụ onye ọ bụ ya so n'isi omenala n'obodo Ọka, ma bụrụkwa onye ọ bụ ya na-agụ afọ ma ọnwa e ji eme mmemme niile a na-eme n'Ọka mere ka a mata, na mgbe onye ọbụla nọ n'ihu Imo Ọka awụli elu, Ọkpọta bụ nwadibịa gwọọrọ Ọka ọgwụ Imo Ọka gafeere site n'Ọkpụnọ bụ ebe ndị Ọka nyere ya ala. Dị ka na nkọwa Nweke, o mere ka a mata na Ọkpụnọ pụtara n'azụ ụlọ. Asụsụ a bụ ọkpụ bụ azụ n'olu asụsụ Ọka. Ebe ụlọ bụ ụnọ ya bụ na ihe ndị Ọka na-akpọ azụ n'oge gboo bụ ọkpụ ebe ụlọ bụ ụnọ na ọ bụ okwu abụọ ka e jikọtara ọnụ wee nye obodo a anyị maara nke ọma bidebere Ọka nso aha. Nke pụtara ọkpụnọ (azụnọ). Nkọwa a na-egosi na Ọkpọta bụ ndị Ọka nyere ya ụlọ n'azụ ụlọ ha, ya bụ n'Ọkpụnọ ebe anyị maara taa bụ ebe ndị Ọka na-aga akọ ihe n'oge gboo. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụ nwoke a mụtara otu ogbe n'ime Ọkpụnọ, a na-akpọ Ọkpụnọ Ọkachi taa. Ọ gakwara n'ihu mee ka anyị mata na nwoke a tiri mkpu wee jụọ ha bụ ụmụ nwoke ihe kpatara na ha hapụrụ ụmụ nwaanyị ịbịa n'ihu Imo Ọka Ịgba Egwu? Kedụ ihe ọ gwara ha maka nwaanyị n'ebe Imo Ọka nọ? Ọ bụ n'ihi na ha amaghị na ha emebiela ọgwụ a gwọọrọ ha? Ha zara ya na ọ bụ obi aṅụrị kpatara nke a, n'ihi na Okoli Ijeoma ka ha nọ, e zitere ha ozi na ọ bụrụla onye nwụrụ anwụ. Ọkpọta gwara ha na ha emerụọla Imo Ọka n'ihi ya na ha ga-ebidokwa n'isi mezie ya ọzọ. Nke a kpatara na ha bidoro n'isi wee gwọgharịa ọgwụ Imo Ọka bụ nkeọ gwọghariri na nwaanyị ga-ebido isonye n'ihe gbasara ịgba Egwu Imo Ọka nke ọma dị ka ụmụnwoke si esonye. N'oge mbụ n'obodo Ọka, ụmụnwaanyị enweghị ihe gbasara ha na Imo Ọka dị ka ọ dị taa, na nwaanyị nwere ike ịkwụ n'ihu ya kelee ma rịọkwazịa ya ihe ọ chọrọ ka o meere ya. Ọ bụ n'ihi nke a mere na e kere Egwu Imoka ụzọ abụọ ụbọchị ụmụnwoke bụ ụbọchị Nkwọ ebe ụmụnwaanyị bụ ụbọchị Afọ.

Ọ bụkwa n'ihi nke a kpatara na ụmụ nwaanyị n'obodo Ọka na-esonye nke ọma n'ihe gbasara ịgba Egwu Imo Ọka karịa n'omenala obodo ndị ọzọ. Nke ọzọ bụkwa na ọ bụ n'ihi nke a ka e ji etu ya aha dị iche iche, dị ka Ezenwaanyị. Nne anyị Akete maọbụ Akete nnukwu nne anyị. Akete bụ aha Imo Ọka . Ọ bụ aha e ji mara ya tupu aha ndị ọzọ dị iche iche a na-etu ya esobe.

Ịkọwapụta n'afọ Egwu Imo Ọka malitere bụ ihe enweghị ike ikwu kama Imo Ọka bụ ihe gbarala afọ tọọ nwa n'obodo Ọka, nke na ọbụzị onye tote otokwuru n'ala Ọka. Ọ bụ otu omenala kpụ ọkụ n'ọnụ mba ụwa niile maara ihe gbasara Ọka ji mara ha ruo ugbu a.
Site n'usoro atụtụ nkọmịrịkọ n'inyocha ederede mmalte na ọdọdụ Egwu Imo Ọka na ndụ ndị Ọka. A chọpụtara nkwenye ndị Ọka na ya. Nkwenye a bụ Imo Ọka. Ndị Ọka kwenyere na ọ bụ Imo Ọka nyeere ha aka n'ọgụ ha wee merie ndị iro ha. Ọ bụ n'ihi nke a ka Ọka ji wube mmemme a bụ ịgba Egwu Imo Ọka maka iji kelee Imo Ọka na mmeri o nyere ha n'ọgụ ma jaa onwe ha ike na mmeri ha meriri ndị iro ha. Anyị chọpụtara site n'ederede a na ndị Ọka na-esite n'ịgba Egwu Imo Ọka a egosipụta omenala na nkwenye ha. N'aka nke ọzọ, ha sitekwara na ya gosipụta Imo Ọka dịka odogwu nke nyeere ha aka n'ọgụ ha wee merie.

**Ọnọdụ Egwu Imo Ọka n'Oge Gboo**

Ọ bụ ezie na Egwu Imo Ọka esoghị Ọka bido, ma taa Egwu Imo Ọka bụ nke dị ọkpụ sitere n'aka nne na nna gaa n'aka ụmụaka ha. Ọ bụ nke dibara kemgbe gboo. Dị ka aha ya si daa na ntị, ọ bụ ihe e ji egwu na amụ mara n'oge gboo. Ọ bụ ihe e ji anọrị oge, enwe aṅụrị, ejekọrịta n'ime obodo Ọka dị ka ụmụnne. Ụfọdụ abụ dị iche iche a na-agụpụta oge a na-agba egwu Imo Ọka bụ abụ ndị ahụ ndị Ọka si na ha enyefe ụmụ ha omenala, nkwenye na nsirihụndụ ha n'aka. Abụ ndị a bụkwazị nnukwu ihe nkuzi ndị Ọka nwere tupu usoro nkuzi ndị ọcha abata ala anyị. Egwu Imo Ọka bụ otu omenala ndị Ọka karịchara nye ọkwa dị elu nke na oge ọbụla ọ na-erute nso onye ọbụla na-akwado ya nke ọma. Oge ọbụla ọnwa Egwu Imo Ọka tụrụ n'elu, bụ ọnwa mbụ nke ndị Ọka na-adabakarị n'ọnwa Mee. Onye ọ bụ ọrụ ya ịgụ ọnwa bụ onye Amikwo e ji akadiala mara, ga-agakwuru Eze Imo Ọka gwa ya na ọnwa Imo Ọka atụọla. Ebe Eze Imo Ọka ga-ewere ọjị na mmanya gwa Imo Ọka Akaete na ọ bụkwa ọnwa ya

ka a nọ n'ime ya.O nwere ụbọchị dị iche iche e ji eme ya. Ọ bụ n'ime otu ọnwa ka ihe niile gbasara ịgba Egwu Imo Ọka na-ebi. Mkpụrụ ụbọchị ise ọ fọdụrụ ka a gbaa Egwu Imo Ọka, ndị Ọka bi n'ime Ọka na-eso n'otu n'otu gaa Ụmụokpu maka ịkaara ha na ọ bụ abalị na anọ na-abịa ka ọ ga-abụ.
A gbasoo atụtụ nkọmịrịkọ nyochaa ederede a bụ Ọnọdụ Egwu Imo Ọka, a chọpụtara ihenhụmama na ya. Ihenhụmama a bụ ọnwa. Dịka omenala na nkwenye ndị Igbo na ọnwa ọbụla tụrụ n'elu nwere ihe ọ pụtara, ndị Ọka nwere ọnwa ọ bụ ya ka ha ji agba Egwu Imo Ọka nke na ọ bụrụ na ọ tụghịị agaghị enwe ịgba Egwu Imo Ọka n'Ọka. Nke a gsipụtara ndị Ọka dịka ndị na-agbaso omenala Igbo n'emume ha bụ Imo Ọka.

**Ịga Ụmụokpu**
Ndị Ọka na-eso n'otu n'otu gaa Ụmụokpu; onye ọbụla n'ogbe nke ya. Ụbọchị ahụ sokwa n'otu nnukwu ụbọchị n'ihe gbasara ịgba Egwu Imo Ọka. Ogbe nke ọbụla na-akwado onwe ha n'ụzọ pụrụ iche maka ije gosi na ọ bụ ha makarịchara. Ụfọdụ ụmụntorobịa na-ekekwa ekike dị iche iche nke na-eme a na-ele ha anya ọ dị ka a ga-asị na ha na-aga nnukwu mmemme. Ọ bụ ụbọchị ahụ ka e ji ahụ ọtụtụ mmọnwụ dị n'ụdị n'ụdị. Ụfọdụ ogbe na-etipụta mmọnwụ ọhụrụ n'ụbọchị ahụ. Ebe ogbe ụfọdụ na-eyi otu ụdị uwe n'ụbọchị ahụ. Ụmụntorobịa ụfọdụ na-ejikwa ụbọchị ahụ egosi na ha bụ dimkpa tozuru etozu ma bụrụ dike.Ha na-eme nke a, site n'ijikere ka aga-asị na ha bụ ndị na-akụ ọkpọ. Ha na-ebulite sejiini ndị ahụ e ji wee mechie ọwa mmiri na-aga n'ọkpọrọ ụzọ oyibo naanị ha.Ha bulie ya elu, ndị mmadụ a na-akụrụ ha aka na etukwa ha aha dị iche iche a na-etu dike. Ike gwụba ha, ha adọtuo ya ala. Ihe ha nọ n'ụbọchị ahụ bụ mgbago na mgbada, ebe ụmụaka ụfọdụ ga na-eso ha n'azụ na-akụrụ ha aka. Ọ bụ ihe a ka ha ga-emegide ganye na chi ụbọchị ahụ e jie.

Ihe ndị Ụmụokpu ji anabata ụmụnne ha bi n'ime obodo Ọka kpọmkwem bụ abacha mmiri na akụoyibo. Ha na-adọba abacha mmiri n'ime nnukwu ọba efere nke ga-eru ebe ise maọbụ karịa dị ka aka ha ruru n'afọ ahụ, na akụoyibo ruru ọnụọgụgụ iri asaa gbagowe. Ọ bụ mgbe ha hụrụ na ụmụnne ha ndị bịarutere karịrị ndị akaghị rute ka ha na-amalite ozigbo mewe ihe ha kwesịrị ime. Ha na-eme nke a ka ụmụnne ha nwee ike laghachi azụ ka chi e jibeghị nke ukwuu. Ọzọkwa bụ maka n'ihi na ha bụ ndị Ụmụokpu ga-esokwazị ụmụnne ha bụ ogbe iri atọ na abụọ ahụ si n'ime obodo Ọka kpọmkwem bịakwutere ha wee gaa dulaga ha n'ime obodo Ọka. N'ihi nke a, ihe ọbụla a na-eme n'Ụmụokpu bụ nke a na-eme ọsọọsọ ka onye ọbụla hụ ụzọ wee laghachi azụ na be nke ya. Ihe mbụ ha na-ebuụzọ eme n'Ụmụokpu bụ ịgọ ọfọ wee waa ọjị. Ọ bụ onye tọchara n'Ụmụokpu so nọrọ n'ama ezi obodo Ụmụokpu ụbọchị ahụ bụ ya ga-awa ọjị ahụ ma gọkwazịa ọfọ so ya. Ihe ọ na-agọkarị n'ọfọ bụ nke a:
Ịkele Chukwu Abịama bụ onye nke mere ka Ọka zukọta dị ka ha si eme kwa afọ ọbụla.

Ịkele Okike abịama maka ahụuike na ogologo ndụ o nyere ha n'enweghị nsogbu ọbụla.
Ha na-arịọkwa Chukwu Abịama ka o mebie ihe ọbụla bịara imebi Ọka, ọ kachasị ndị bịara abịa n'obodo bụ ndị Ọka kwenyere na ọ bụ ha so ewetara ha nsogbu n'ihe gbasara oke ịkwafu ọbara na-apụtazị ihe n'oge a na-agba Egwu Imo Ọka. Ọ ga-agwa Chukwu abịama mee ka aka bie ha n'ala, ma doziere ha obodo ha bụ Ọka bụ nke e ji egwu na amụ mara. Ọzọ bụ ka ụmụnne ha bịakwutere ha n'udo laghachi n'udo. Ma ka onye ọbụla taa abacha nke afọ a ma tata ogologo ndụ na ahụike nke ga-eme na ha niile ga-ezukọtakwa ọzọ n'afọ n'abịa. Ọ bụ mgbe e kpechara nke a ka onye ọbụla ga-ekwe iseee ooo.

Ọ ga-awazị ọjị ahụ, ma bido ka e si tọchaa wee webe ya bụ oke. Ọ bụ onye chọrọ ịta ọjị ga-ata. Ọ bụghị iwu na ọjị ga-erutu onye ọbụla bịara Ụmụokpu maka na mmadụ na-ejupụta ebe niile. Nke a kpatara na ọ bụ ndị okenye, ndị nze na ọzọ ka a na-enyekarị ya bụ ọjị. Ebe nke fọdụrụ ga-abụzị onye o ruturu ọ taa ma onye orutughị ọ hapụ. A ga-ebido tinyewe abacha n'akpa wataprufu ọcha. Ọ bụrụ na e tinye, e tinye akụoyibo. A ga-eberi akụoyibo kịrịkịrị ka o zue onye ọbụla bịara ebe ahụ,ma onye ukwu ma onye nta. E jighị ya ajọ njọ maọbụ eme nkewa. Ọ bụ oke na-erutu onye ọbụla bịara Ụmụokpu. Oge a na-atazị abacha na akụoyibo, onye ọbụla chọrọ ịgba egwu na-apụta gbaa egwu, ma mmọnwụ ma mmadụ. Ọ bụ uhie ka a na-akụ ụbọchị ahụ n'Ụmụokpu. Mmọnwụ na mmadụ na-agba egwu. Ọ bụ oke na ọrụ ndị na-akụ egwu uhie ụbọchị ahụ n'akwụsịghị akwụsị ganye na ndị Ọka bịara Ụmụokpu alaghachi. Ndị Ụmụokpu ga-edularu ha. Ndị Ụmụokpu rute n'Ọka ha ga na-agbagharị ganye n'oge ha ga-alaghachi azụ. Oge Ụmụokpu na-ejikarị alaghachi azụ na-abụkarị n'ime mgbede, ya bụ malite n'ihe dị ka elekere isii nke mgbede gbagobe. Oge ha na-alaghachi Ụmụokpu, ndị ụmụnwaanyị ndị bu oche nọdụ ala n'akụkụ ọkpọrọ ụzọ na-

efere ha aka ka ije ha bụrụ ijeọma. Ọ bụ otu a ka ha na-emekwa oge ndị Ọka gara Ụmụokpu ụbọchị ahụna-alọta. Ha na-asị ha nnọọnụ ooo, nnọọnụ ooo.

Ndị Ụmụokpu ga-eso n'otu n'otu n'ụbọchị a kara aka bịa Ọka n'Amaenyi. Ọka na-aga Ụmụokpu afọ ọbụla a na-agba Egwu Imo Ọka iji gwa ha na ọ fọdụrụ abalị anọ ka a gbaa Egwu Imo Ọka bụ n'ihi na Ọka na Ụmụokpu bụ nwanne.
A gbasoo atụtụ nkọmịrịkọ tụchaa ederede a nke isiokwu ya bụ ịga Ụmụokpu. Ị ga Ụmụokpu n'obodo Ọka bụ otu nnukwu omenala n'obodo Ọka nke ha ejighị egwu egwu. Ọ bụ omenala nke ha gi egosipụta njekọrịta nwanne na nwanne n'etiti onwe ha, ọjị pụtara ihe n'ederede a bụ nke ha na-eji ekpe ekpere na obodo ezi Ụmụokpu nke ọ bụ onye tọsịrị Ụmụokpu niile na-ekpe ụbọchị ahụ gosipụtara na ndị Ọka bụ ndị maara omenala ma na-agbaso ya.

**Opieke Ụmụnwaanyị N'Ọka**
Ụmụnwaanyị ndị Ọka na-eje Opieke ụbọchị Afọ. Ha na-eji ejiji ndị Igbo site n'ịma akwa n'obi. Ha na-ese uri n'ahụ ha niile. Ha na-agba ijere n'ụkwụ ha abụọ nke na ha na-aga ijere a na-eme mkpọtụ. Ha na-atụ ukwe were nnukwu nza gụrụ egwu na-aga ma rue n'okwu Imo Ọka dị na nkwọ Ameanyị. Ha na-eyi ọla olu dị iche iche iji chọọ onwe ha mma n'ụzọ pụrụ iche. Ụfọdụ n'ime ha na-afụ opi, ebe ụfọdụ n'ime ha enweghị opi na-eji ọnụ ha mere opi. Ha na-adị n'igwe soro n'otu n'otuwee gụrụ egwu rue nkwọ Ameanyị.
Oge ụmụnwaanyị ruru na Nkwọ Ameanyị, ha na-enwe ọnọdụ ebe edoziri ha ga-anọdụ ala wee na-etinye okwu ọnụ. Ọ bụ ebe ahụ ha na-anọ alaka ụfọdụ ndị nwere obi ọma maọbụ ndị ume dị na-apụ agba egwu ebe ndị ọzọ nọdụrụ ala n'oche ga na-ekwere ha egwu. Ụmụnwaanyị na-agbakwa opieke ụbọchị ahụ nke ọ bụ ịgba ka e ji akụ ya.

Ụmụnwaanyị na-agba egwu na-agaziga na mbara Imo Ọka . Ụfọdụ ji nza, ụfọdụ opu, ebe ndị ọzọ aka ha erughị na ngwa egwu ndị a kpọrọ aha na-eji hankachifu wee na-agba egwu nke ha. Opieke bụ ihe ụmụnwaanyị n'Ọka na-eme omenala ji egosi onye ka ibe ya. Ha na-eme nke a site n'ụdịdị akwa ha na-eyi n'ụbọchị ahụ. O nwere ndị na-ejikere ka ọ bụ ya bụ Eze mmiri ma kpụrụ ehi, kpọrọ ndị egwu bụ ndị ga na-akụrụ ya egwu ebe ndị ụtọ dabara ha na ya ga-eso buru ụzọ na-agba egwu na-asụ ojo, n'ama mbem bụ nke e ji amata onye na-emesi ihe ike. Ụmụnwaanyị na-anọdụ ala n'ebe edobeere ha oche, ebe ndị mmadụ na-abịa etu ha ego maọbụ dobere ha ego n'elu tebulu. Ụfọdụ na-enye ha ego na abụ ndị ụmụ ha, ikwunaibe ha, enyi na ụmụnne ha na ndị hụrụ ha n'anya. Ụfọdụ ụmụ ha na-achịkwa ọgọdụbịa n'Imo Ọka etu ha iji gosi na ha hụrụ nne ha n'anya karịcha. Ebe ụfọdụ ga-aga gbanweta ego ma were ya asa nne ha ahụ ka ọ bụ mmiri ka ha na-awụsa nne ha n'ahụ.

Ụmụnwaanyị na-eji ihe dị iche iche abịa n'ihu Imo Ọka. Ụfọdụ na-eji ego, ọjị, ọkụkọ, akwa ọcha, ewu na ehi, ha na-eme nke a site n'etu aka onye ahụ haa. Ụmụnwaanyị na-ebute ite n'Ịmọka ụbọchị ahụ. Nke a mere a hụ ebe a dọbara ite ndị a ọ dị ka ebe a na-azụ ahịa ite. Ụmụnwaanyị ụfọdụ na-abịa ekele ekele maka ihe ọma o meere ha, o nwere ike ọ bụrụ na ha rịọrọ ya ka ọ gọzie nwa ha nwoke nye ya ezigbo nwaanyị maọbụ nwa. Ụfọdụ na-ekelekwa maka na o mere ka ha lọta n'udo maka Egwu Imo Ọka nke afọ ahụ, ma rịọkwazịe ya ka o dulagakwa ha n'udo maọbụrụ na ọ nọchaa lọghachiwe azụ. Ebe ụfọdụ nwere ike ịbịa rịọ ka o nye ha ego ma mee ka ahịa maọbụ ihe ọbụla nke ọ na-eme na-aga nkeọma. O nweghị onye na-abịa n'ihu Akete bụ Ezenwaanyị Imo Ọka gbara aka. O nwere ndị na-akpọrọ nwa ha, ezinaụlọ ha ma nwa ọhụrụ ma ndị nnekwu na ndị obere abịa rịọ maka nchekwebe nke ezinaụlọ maọbụ nchekwaba gbasara mmemme chere ha n'ihu. Mmemme nwere ike ịbụ akwamozu, ịlụ nwaanyị, ichi echichi na ihe ndị ọzọ. Mgbe ụmụ nwaanyị na-eme nke a, o nwere ndị ọzọ na-abụghị ndị Ọka kama na ihe omenala na-amasị ha na-esonye ha abịa achọ ọdịmma n'aka Akete bụ Ezenwaanyị, Imo Ọka .Mgbe ndị mmadụ na-abịa ịchọ ihu Akete, a na-enwe onye nnabata. Onye nnabata na-abụ onye enyere ikike maka ime nke a. Oge ụmụnwaanyị gbagharịchara na mbara Imo Ọka maka ịgba Egwu Opieke ma kelechaa ya bụ Ezenwaanyị Akete rịọ ihe ha chọọ n'aka ya, ha na ebuli laghachiwe azụ na be ha dị iche iche n'ime mgbede ụbọchị ahụ. Ebe ndị nwere ụgbọ ala ga-abanye n'ụgbọala ha laa. Ndị na-enweghị na-eso n'otu n'otu wee laghachi n'ụlọ ha. Nke a bụ n'oge ugbu a ka onye nwere ụgbọ alana-abanye ya laa. N'oge gboo bụ ụkwụ ka onye ọbụla ga-eji alaghachi be ya. Ndị mgbogo si ụzọ nke ha, ndị ndịda e si ụzọ nke ha.
Oge ha na-aga n'igwe; onye rutere n'ogbe ya mgbe ha mechara ihe ha kwesịrị ime o banye n'ogbe ya. Ndị ọzọ erubeghị agụrụ egwu na-aga. Otu a ka ha na-eme ganye na onye ọbụla abanye be ya.

Atụtụ nkọmịrịkọ a gbasoro nyochaa ederede a, mere ka a mata na ekike ụmụnwanyị na-eke bụ ịma ọgọdụ n'obi na iji ihe ekike dị iche iche chọọ onwe ha mma ụbọchị a na-agba Egwu Imo Ọka bụ nke gosipụtara ndị Ọka dịka ndị na-agbaso omenala Igbo.

**Mmọnwụ Ịzụ Ahịa Ụbọchị Nkwọ**

Ụbọchị Nkwọ ka mmonwụ ji azụ ahịa na Nkwọ Imo Ọka. Ebe a na-ekwu ihe a bụ ebe a na-akpọzị Nkwọ Amaenyi taa. Ihe Ọka ji mara ebe ahụ bụ Nkwọ Imo Ọka. N'agbanyeghị na ndị amaghị, ọ kachasị ndị mbịambịa, na-akpọ ebe ahụ Nkwọ Amaenyi, ọ bụ ụbọchị Nkwọ a ka ọ na-abụ a zụchaa ahịa, a mara na Imo Ọka agwụ. Dị ka ụmụnwaanyị si eme nke ha n'ụbọchị Opieke ọ bụ otu ụzọ ahụ ka ndị ụmụnwoke si eme nke ha. Ụbọchị nke ụmụnwoke na-adabanye n'ụbọchị Nkwọ kpọmkwem. Ụbọchị ahụ ka ihe Ọka ji biri na-enupụta n'igwe n'ụzọ. Onye ọbụla ị hụrụ, o jiri ihe nke aka ya ruru ọ chọrọ iji kelee Akete bụ Ezenwaanyị Imo Ọka. Ụbọchị ahụ otu onye nwere ike ịkpụta ehi ise naanị ya iji wee kelee Akete Ezenwaanyị Imo Ọka. Ụfọdụ na-akpụtakwa ewu maọbụ nnukwu ebule na-acha ọcha. Ọ bụ ụbọchị ụmụnwoke ji azụ ahịa nke ha bụ ụbọchị ndị ihe gbasara omenala na-amasị n'Ọka ji egosi na ha zuru ka emee. Ụfọdụ na-esite na be nna ya duru ndị na-akụ ịgba ebe ndị enyi ha ga-esonye ikwado ya. Ha niile ga-agụrụ egwu ma gbara egwu ịgba na-akụ ganye na ha eruo Imo Ọka. Ụmụnwoke bụ ndị nwere oge ha ji abịa ekele Akete maọbụ ịrịọ ya ka o nyere ha aka. Ọ bụghị na o nwere oge ewepụtaara ha iji mee nke a. Kama dị ka nwanchọcha si hụta, ọ na-abụkarị n'oge ehihie ka ha na-ejikarị abịa eche onwe ha n'ihu Akete bụ Ezenwaanyị Imo Ọka. Nke ọ na-aga ọ bụrụ na ha mechaa ya, ha alaghachi n'ụlọ wee ga kwakụzịa etu o si masị ha ịdị n'ụbọchị ahụ. Ụmụnwoke na-etikwa uwe otu o si masị ha n'ụbọchị ahụ. Ụfọdụ na-agba ọtọ ma yiri naanị ọbante, were ihe sekasịa onwe ha n'ahụ. Ụfọdụ na-eke akwa n'isi, yiri naanị uwe aka mkpirisi dị ezigbo ọcha, yiri ọlaedo n'olu ma gbara nnukwu akpụkpụkwụ. Ụbọchị ahụ bụ onye ọbụla jikere ka o si masị ya. O nwekwara ndị na-ewepụtara ya ego zụta otu ụdị akwa ma yiri n'ụbọchị ahụ nke mere ha gafee a mata na o nwere ndị gafere. Ụbọchị ụmụnwoke na-agba Egwu Imo Ọka na-abụ nwanne bịa kirie**.** Ndị nwere ego na-etukwa ego. Ụfọdụ ụmụnwoke na-ejikere ka ha bụ nwaanyị ma na-awụsasị chingọm na sụwiiti ebe niile.Ụmụntakịrị na-agbagharị na-atụtụ chịngọm na sụwiiti na-aracha. Ọ bụ ụbọchị e ji ahụ ụdị mmọnwụ ahụbeghị mbụ. E nwere mmọnwụ dị iche iche ndị a na-akpọ ụdọ, ajịbusu, ọsị asịrị, mmọnwụ awụsa, ayoro, ịgarịga, udọ, okwemma, isiabaọhịa, tọnda, wdg.

Ndị mmọnwụ na-agbago na-agbada. Otu a ka ndị mmadụ ma nwoke ma nwaanyị sikwazị agbago agbada. Egwu Imo Ọka bụ egwu na amụ ka e ji mara ya na njekọrịta umunne. Ụbọchị ahụ onye nwere ego na-azụta mmanya nye ndị mmadụ. Onye ọbụla na ndị ụtọdabara ya na ha na-agagharị ka o si masị ha. Egwu Imo Ọka ụbọchị ahụ bụ mgbago na mgbada.Ụfọdụ na-agbago agbada ugboro ugboro site n'etu ha nwere ume ime. Ebe ndị ume adịghị na-anọdụ n'akụkụ ekiri ihe na-eme. Ụbọchị ahụ ndị otu ọgbọ dị iche iche na-ebu njirimara ha bụ ọkọlọtọ bụ nke e dere aha ha na ya nke na-egosi na ndị na-agafe bụ ndị dị otu a.Ihe ọzọ bụ na oge onye ọbụla rịọchara Akaete Ezenwaanyị Imo Ọka arịrịọ ihe ọ chọrọ ka o mere ha, ma kelekwaa ya n'ihe o meere ha,onye ọ bụ ọrụ ya ileta Akaete Ezenwaanyị anya na-eburu ya dọba n'ubu ya bugharịa ya mbara Imo Ọka niile.Ebe mbụ ọ na-ebu ụzọ agba ọkpa bụ n'ebe ndị na-akụ ịgba Opieke nọ. Ndị mmadụ bu ụzọ na-eti "chaanụ n'ụzọ, chaanụ n'ụzọ" n'otu aka ahụ ka ha na-etu Akaete mkpamkpa na mkpamkpa n'aha. Ọ bụ oge onye na-eleta ya anya bugharịchara ya ma bughachite ya azụ n'obi Imo Ọka a mara na Imo Ọka nke afọ ahụ ebie.

Ihe ọzọ bụ na o nwere mmọnwụ ndị na-adịghị apụta oge mmọnwụ na-agba. Ha gụnyere Agụnaabọ Ụmụzọcha na Egbuliọba Ameanyị. Ha bụ mmọnwụ ndị na-agba oge e mechara Egwu Imo Ọka. Ha na-abịa Imo Ọka nke ha oge o mechara ihe dị ka izu a gbara Egwu Imo Ọka .Oge ha mechara nke a, ọ bụ ya bụ na Imo Ọka agwụla maka nke afọ ahụ. Ihe kpatara na mmọnwụ ndị a kpọrọ aha anaghị apụta eso agba Egwu Imo Ọka ụbọchị Imo Ọka bụ n'ihi na ha bụ ajọ mmọnwụ. Ha dị njọ nke na ha nwere ike igbu mmadụmaọbụ merụọ mmadụ ahụ. Agụnaabọ Ụmụzọcha bụ ya kpatara na Ọka kwụsịrị ụfọdụ nnukwu mmọnwụ ndị a ịpụta ụbọchị Egwu Imo Ọka. Nke a wee bụrụ n'ihi ihe mere n'etiti Agụnaabọ na obuụzọ mmọnwụ ndị Ụmụbele. Otu afọ a gbara Egwu Imo Ọka, Agụnaabọ Ụmụzọcha kwụchiri ụzọ na o nweghị onye ga agafe, ma mmọnwụ ma mmadụ n'ụzọ nke enweghị ezi ọzọ e nwere ike isi pụọ. Nke a mere ka ndị mmọnwụ pụtara ịgba Egwu Imo Ọka nke afọ ahụ kwụrụ otu ebe chi na-agbada n'ike n'ike. Ihe a mekatara otu nwoke nke si ọnụkụ Ụmụbele bụ onye so mmọnwụ Onyeọmatah ji iwe kwokwuru Agụnaabọ Ụmụzọcha, ka ọ kwapụ ya n'ụzọ ma Agụnaabọ ma nwoke kwokwuuru ya, o nweghị onye ahụ fọrọ ụbọchị ahụ. E mechara gbosaa ha abụọ. Agụnaabọ Ụmụzọcha wụrụ nwoke ahụ ahụọcha nke ọ nọ n'ime ya wee

nwụọ. Ndị Ụmụzọcha sịrị na nwokeahụ kpalịrị mmọnwụ ha, ebe Ụmụbele sịrị na Agụnaabọ bụ ya chọrọ ha okwu ma ọ bụ etu ahụ ka nnukwu mmọnwụ ibe ya si agba Egwu Imo Ọka? N'afọ ahụ n'ihi nsogbu a dapụtara, ogbe Ụmụbele esoghị gbaa Imo Ọka maka ihe mere ha. Ọkachasị nwanne ha nwoke nke Agụnaabọ debere ọdịndụ ọnwụ ka mma. Nke a mere ka ndị Ọka tụọ aro ka ihe nke a mere ghara ime ọzọ. Ha kpebiri na Agụnaabọ bụ mmọnwụ ndị Ụmụzọcha ga-akwụsị ịpụta ịgba Egwu Imo Ọka ụbọchị ndị ọzọ na-agba maka na ọ na-achọ okwu. Ha gwara ya na ọ naghị eme ka mmọnwụ ndị ọzọ si eme. Ọ bụ kemgbe ahụ ka Agụnaabọ Ụmụzọcha kwụsịrị ịpụta ịgba Egwu Imo Ọka ụbọchị Egwu Imo Ọka na mmọnwụ ndị ọzọ bụ ndị a hụrụ na ha dị njọ dị ka Agụnaabọ ruo taa. Nke a bụ ka e wee nwee udo n'Ọka ka ndị Ọka ji kwado nke a.Ọzọ bụ na mmọnwụ ndị na-apụta n'Egwu Imo Ọka na-enwe akara ma na eso n'otu n'otu n'ogbe n'ogbe na-aga n'ụbọchị Imo Ọka .Ihe ọnọdụ akara a maọbụ n'otu n'otu ji di bụ ka e nwe ike chọpụta onye maọbụ mmọnwụ mere ihe na-ekwesịghị ekwesị ogbe o si pụta ma nye ha ntaramahụhụ dịrị ha maọbụ daa ha nha.
A chọpụtara n'ederede a zipụtara omenala Igbo na ya. Omenala a bụ ịzụ ahịa ụbọchị nkwọ. Ndị Ọka bụ ndị nwere ahịa dị iche iche dịka eke, orie, afọ na nkwọ. Ma ndị Ọka wepụtara ụbọchị nkwọ maka mmọnwụ obodo ha iji gbaghariạ. Nke a gosiri n'Ọka bụ ndị na-agbaso omenala Igbo n'ihe gbasara mmemme ha.

**Nri ndị ahụ a na-esi oge a na-agba Egwu Imo Ọka**
O nwere nri pụrụ iche a na-esi ụbọchị a na-agba Egwu Imo Ọka n'obodo Ọka, nke ọ bụ ya ka ndị Ọka ji anọ ọnọdụ ụbọchị ahụ kpọmkwem.
Ha bụ ndị a: Avuru ka a na-akpọ ya. Ọ bụ ofe onugbu nke ọ ga-abụ ị na-ele anya, ọ dị ka a ga-asị na ọ bụ onugbu afọbeghị afọ. Nke a pụtara na onye ahụ ga-akpata onugbu kpasa ya na ndo mkpụrụ ụbọchị abụọ. Ubọchị ahụ o mere ụbọchị abụọ ka onye ahụ ga-afọ ya. Ọ dịghị agbari agbarima ị na-ele ya anya. Ọ na-adị ka a ga-asị na akabeghị fọọ ya afọ, ma oge ị tara ya, ịmara na ọ bụ onugbu a fọrọ afọ. Ihe ndị e ji ete ofe onugbu a bụ ihe kpọrọ nkụ. Dị ka azụ ọkpọọ, anụ ọkpọọ na okporoko. Adịghị etinye ihe dị mmiri na ya. Ihe ọzọ bụ iji ụdị onugbu dị otu ahụ dị ka nke e ji ete ofe onugbu avurụ wee sie ụkwa ma gwọkọta onugbu ahụ ụkwa. Nri ọzọ ndị Ọka na-esikwa n'ụbọchị ahụ bụ ofe enini nke pụtara ofe egwusi.Ha na-esi nke a ma sụọ nri ji dị mma rie ya. Ọ bụ ụzọ nri atọ ndị a ka e jikarị anabata ndị ọbịa n'ụbọchị ahụ. Onye bịa be gị, ọ bụrụ na ị bunyeghị ya ụkwa ka o rie, i bunye ya ofe onugbu ahụ na ji, maọbụ of enini na nri ji asụrụ asụ. Onugbu ahụ bụ ji kae ji eri ya. Ọ bụ ji ebechapụghị azụ ya, ebere okirikiri nke ga-ebutu obere ibu ka e ji eri ya n'ụbọchị ahụ. Ọ bụ onye ebunyere ji ga-eji aka ya bechapụ azụ ji ahụ ma rie ya.

Onye Ọka nwere ike ghara a lọtaghị ụlọ Ekeresimesi maọbụ Isita mana ọ bụghị maka Egwu Imo Ọka n'oge mbụ. Ọ bụ ihe onye na onye ọbụla nọ n'ụlọ maọbụ nọ n'ezi na-echekwube ma ọ ga-erukwa eru. Ndị Ọka bụkwa ndị nwere ebe ha na-anọ akụ egwu agba maka nlọtaije ha lọtara n'ihi Egwu Imo Ọka n'oge gboo a. Ọ bụ n'ukwu ọjị nke dị nsoAmaọbịa bụ nke egbupuworo ka ndị Ọka na-agbakọta ma ọ bụrụ na ha lọtachaa njem ịgba Egwu Imo Ọka .Ha na-agba egwu agbazige ukwu ọjị ahụ okirikiri mana ekele chi ha na o mere ka ha lọta n'udo maka ya bụ Egwu Imo Ọka . Ọ bụ n'oge dị otu a ka mmadụ nwere ike ịhụ onye o terela aka ọ hụdebere. Ụzọ a sokwa n'otu ụzọ ndị Ọka ji ejerịta n'etiti onwe ha emerịta ụmụnne. Mmemme a akwụsịghị n'Ọka kama ọ bụzịghị ebe a na-anọ eme ya na mbụ maọbụ etu e si eme ya na mbụ ka e si eme ya ugbu a. Ihe niile a ka ndị Ọka chikọtara ọnụ n'ụbọchị Nkwo ahụ a na-agba Egwu Imo Ọka eme na mbara Imo Ọka kpọmkwem. Ihe ndị a bụ ọnọdụ Egwu Imo Ọka nwere na ndụ ndị Ọka n'oge gboo.
A chọpụtara n'omenala ndị Igbo pụtara ihe na mmemme a. Ndị Igbo bụ ndị e ji ụdịdị nri pụrụ iche ha na-eri mara. Otu a ka ederede a gosipụtara ndị Ọka dịka ndị na-agbaso usoro nri pụrụ iche isi ma rie n'ụbọchị mmemme ha bụ Egwu Imo Ọka dịka omenala Igbo si di.

**Nsogbu Dị Iche Iche Batarala n'Egwu Imo Ọka**
E nwere ọtụtụ nsogbu batarala n'egwu Imo Ọka. N'oge ugbu a, ndị Ọka ma ndị mbịambịa bi n'ime ya na-agbapụ agbapụ n'obodo ha ruo na Egwu Imo Ọka agafecha. Nke a bụ n'ihi na ndị ọgbaraọhụrụ dobeziri ya dị ka oge ha ji enweta onye ha chọrọ itigbu maọbụ dulaga ala mmụọ nke uche ndị mmadụ agaghị eru na ọ bụ ihe a kpacha anya mee. Onye ya na ibe ya nwere obere esemokwu, o chere ya n'ụbọchị Egwu Imo Ọka. Ụfọdụ ndị nọ n'otu nzuzo na-agwa ndị otu ha ka ha bịa nyere ha aka n'ụbọchị ahụ ịhụ na ha gbagburu ndị iro ha ka ha pụọ ha n'anya. Nsọpụrụ

akpụọla afọ n'ala n'ebe ndị ọgbaraọhụrụ nọ. Ndị okenye kwesịrị ha kwuo ka anụ, bụ ndị otu ọgbọ ịchị obodo dị n'aka na-atụkwa egwu ime ihe ha kwesịrị ka ha mee maka ọdịmma nke obodo. Nke a bụ n'ihi na ha na-aga ha kwusie okwu dị ka o si kwesị na nna ga-agwa nwa, ndị ekweghị n'obodo gaadị mmana-aga be ndị okenye ndị ahụ n'otu n'otu gaa baara ha mba ma gwa ha ka ha gharakwa ịgwa ha okwu ụbọchị ọzọ maka ọ bụrụ na ha mee ya ọzọ na ha ga-agbagbu ha maọbụ gbagbuo nwa ha. N'ihi na ihe mere ha ji gba nkịtị bụ n'ihi ndị mmadụ ndị ọzọ nọ ebe ahụ ma ya dịba, kama ya mee ọzọ ka ọ mara ma o nwere onye ga-amata mgbe ihe ga-eme ya ga-eme ya, maọbụ onye gaanọ nso ụbọchị ọ ga-abụ naanị ya na ha. Ọ bụ naanị osisi nụrụ na aga-egbu ya kwụrụ. Ọ bụ ihe iyi egwu dị otu a ka ndị ntorobịa bụ ndị mere onwe ha ọga n'Ọka ji eme ka o si masị ha, n'ihi na otu nzuzo ha nọ na ya gbara ha ume.

Ụzọ a so n'otu ụzọ sere elu nsogbu dị iche iche a na-ahụta Ọka oge a na-agba Egwu Imo Ọka ji apụta ihe ka na-abawanye ụba. Oke ịkwafu ọbara bụzị ya ka a kpụ n'ọnụ n'oge ọbụla a na-agba Egwu Imo Ọka.

N'aka nke ọzọ, ndị Ọka bụ ndị a mara na-eso n'otu n'otu n'ụbọchị a na-agba Egwu Imo Ọka site n'ọnụkụ n'ogbe, aga nke mere na ọ bụghị ihe dị mfe onye abụghị onye Ọka isonye n'osonọgbọ oge ha na-aga, ma taa, onye ọbụla na-esonyezi n'ebe sọrọ ya ma na-eme ihe ibe ya na-eme. Nke a so n'otu ihe mere na ndị ọbịa nwere ohere ịbata iso na-agba Egwu Imo Ọka ma kuziere ndị ụmụntorobịa na-eto eto bụ ndị Ọka nke ha amaghị na mbụ. Ọ bụ n'ụzọ a ka ihe gbasara igbu mmadụ na imerụ mmadụ ahụ jiri bata obodo Ọka oge a na-agba Egwu Imo Ọka.

Mmepe, ụka, nkannụzụ na usoro agụmakwụkwọ ha webatara n'ala Igbo bụ nnukwu ihe na-ama asụsụ, omenala na agụmagụ Igbo aka n'ihu. Ọ bụ ihe ndị a mere na ọtụtụ ndị Ọka na-ahụtazị omenala na nkwenye ndị Ọka ka ihe rụrụ arụ. Ọtụtụ ndị ntorobịa bụ ndị na-eto eto, elegharala ihe e jiri mara ndị Ọka anya. Ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ n'ime ha kara nwe mmasị n'ebe asụsụ na omenala ndị ọcha dị karịa nke ndị Ọka. Ha kazị ndị ọcha were ebizi ụdị ndụ ha ma kpụọ ụdị ndụ e ji mara ha afọ n'ala.
Site n'igbaso atụtụ nkọmịrịkọ n'ederede a, a ga-achọpụta na omenala ndị Igbo dịka Anozie (2003:106) kọwapụtara na agbụrụ ọbụla enweghị usoro ha si eme ihe, nwụrụ anwụ n'onwe ya. Obodo Ọka ileghara usoro ha na-agbaso eme mmemme ha bụ Egwu Imo Ọka anya, mere ka ọ bụrụ nnukwu nsogbu dịịrị ha. Omenala bụ ihe nwere usoro nke ekwesịrị ka a gbasoo oge ọbụla a na-eme ya maka ọdịmma nke obodo ahụ. N'ihi ya omenala bụ ihe ekwesịghị ka echefuo.

**Ụzọ a ga-esi belata nsogbu ndị ahụ batarala n'Egwu Imo Ọka**
Ọ bụ naanị ọnwụ bụ ihe a maghị ihe e nwere ike ime ya. E nwere ụzọ dị iche iche e nwere ike isi belata nsogbu Egwu Imo Ọka. Nsogbu ọbụla nwere usoro e ji eso ya ma sogbuo ya

Otu ụzọ a ga-esi belata nsogbu ndị a bụ iweghachite usoro mbụ e ji agba Egwu Imo Ọka. Site n'ịmalite inye akara n'isi ogbe ọbụla nke ndị Ọka a hanyere ọrụ dị otu a n'aka ga-akaba ahụ mee. Nke a ga-abụ ihe ga-enye ezigbo aka, n'ihi na nke a ga-eme ka ndị ọbịa na-amata amanye n'igwe mmadụ maọbụ n'otu ndị sọrọ ha ghara imenwu nke a. Inye akara ga-eme ka onye ọbụla na-eze onwe ya maka ihe ịta ụta nke ndị ogbe ha maọbụ nha o nwere ike ịha ma ọ bụrụ na omehie. Ihe ọzọ bụ na ndị ntorobịa ụfọdụ bụ ndị na-eji aka ha akpọta ndị dị otu a ga-ahụ ma mata na ohere dị otu a adịzịghị. Ihe nke anọzị na ya bụ ọsọ onye n'isi onwe ya. Ọ bụ ezie na ụmụaka ndị ọgbaraọhụrụ nke oge ugbu a anazịghị atụ egwu, mana amaa ka ọ dị, o nweriri onye nwata ahụ ga-aka hụ n'anya n'ime ezinaụlọ nna ya. O nwere ike ịbụ nna ya, nne ya maọbụ nwanne nna ya. Nke a ga-eme ka o nwetụ egwu n'ebe onye ahụ nọ ma jiri n'ihi nke a gbanarị nnụpụisi ndị ahụ ga-etinye ya n'ọnwụnwa.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ na o kwesịrị ka ndị okenye bụ ndị ahụ ka kwụ chịm chịm sonyewe n'Egwu Imo Ọka dị ka ọ dịbu na mbụ.

Mkpọta ndị uwe ojii bụ otu ụzọ ọzọ a ga-esi belata ya bụ nsogbu. Onye hụrụ onye uwe ojii ga-akwanyere onwe ya ugwu maka ije nga. Ihe ọzọ bụ na o kwesịrị ka ogbe ọbụla gbado onwe ha anya nke ọma site n'inyocha onye ọbụla tupu ọ amalite ịpụta maka ịgba Egwu Imo Ọka. Ụzọ dị otu a ga-enyekwa aka maka na onye ọbụla chọrọ itinye

egbe, mma, ube, wdg n'akpa ya ga-akaba ahụ dobe ya n'ụlọ tupu ọ sonyere ogbe ya. Ọ bụ ihe ndị a ga-enye aka ime ka eweghachite obi aṅụrị na ihe ụtọ ndị ahụ dị n'ịgba Egwu Imo Ọka dịka ọ dị na mbụ.
Dịka Ebisi (2015:31) kọwara omenala na omenala ndị Igbo bụ nchịkọta ekerechi nke mmadụ tinyere ihe niile si n'uche mmadụ pụta ma bụrụ ihe a nabatara anabata. Nkọwa a gosiri n'omenala bụ nkwenye ndị si n'ụbụrụ mmadụ pụta na usoro e si eme ihe dị iche iche nke otu maọbụ mba ahụ nabatara. Site n'ịgbaso atụtụ nkọmịrịkọ nyochaa ederede a, a chọpụtara n'usoro niile a ndị Ọka wepụtara ha na-agbaso agba Egwu Imo Ọka n'oge mbụ bụ omenala na nkwenye ha. Ya bụ na ndị Ọka bụ ndị maara omenala. Omnala ha dịka ndị Igbo pụtara ihe nke ọma n'Egwu Imo Ọka ha.

**Nchịkọta Ọrụ Nchọcha**

Site n'ọrụ nchọcha a, a chọpụtara na mmetụta Egwu Imo Ọka na ndụ ndị Ọka n'oge gboo bụ ihe ọ bụ naanị Egwu na amụ ka e ji mara ya. Ọ bụ ihe na-eweta njekọta na mmekọrịta nke nwanne na nwanne, otu ọgbọ na ọgbọ, ogbe na ogbe. Nke a na-esite na ya egosipụta ịdị na otu na ịhụnanya n'ebe mmadụ na ibe ya nọ ma ọ bụ naanị kemgbe ha malitere ịnabata ndị ọbịa na mmemme ha na ileghara usoro nna nna ha hanyere ha n'aka igbaso gbaa Egwu Imo Ọka ka ihe niile bidoro mebie; igbu mmadụ, imerụ mmadụ ahụ na ịkwafu ọbara wee bụrụzịa okwu akpụ n'ọnụ n'oge ọbụla Egwu Imo Ọka na-eru nso. Nke a na-egosi na e kwesịghị mmadụ ị hapụ otu kwesịrị ime ihe mebe ya otu ọzọ. Ọ ga-abụ ihe ga-ama mma nyekwa aka iweghachite usoro ndị ahụ ha leghara anya a na-agbaso agba Egwu Imo Ọka, maka ọdị mma nke obodo Ọka.

**Aro Nwanchọcha**

Nwanchọcha na-eme ka ndị mmadụ mata na mmemme Egwu Imo Ọka abụghị ihe e ji tigbuo zọgbue mara. Ọ bụ mmemme nke ndị nna nna hanyere n'aka ụmụ ha maka egwu na amụ, mmekọrịta nke mmadụ na ibe ya, ịdị n'otu na igosipụta ịhụnanya n'ebe nwanne na nwanne nọ. Egwu Imo Ọka abụghị mmemme igbu mmadụ, imerụ mmadụ ahụ na ịkwafu ọbara kama na ọ bụ ọghọm nke sitere n'aka ụfọdụ ọha mmadụ bata. Nwanchọcha na-ekwu na ọ ga-adị mma ma ndị ihe gbasara omenala na ndị obodo bịakọta ọnụ ma lebaa anya n'ọtụtụ ihe nke nwanchọcha depụtara gbasara ihe a ga-eme maka ibelata nsogbu ndị ahụ batarala n'Egwu Imo Ọka ma tinye ya n'ọrụ, ọ kachasị ịgba mbọ hụ na ndị mbịambịa bi n'ala Ọka kwụsịrị ịpụta sonye oge a na-agba Egwu Imo Ọka. Nke a ga-enye aka ime ka egwu na amụ e ji mara Egwu Imo Ọka n'oge gboo mee ka ndị mmadụ laghachitekwa inwe mmasị gbasara mmemme Imo Ọka ọzọ.

**Mmechi**

Na mkpokọta nwanchọcha na-eme ka ọhanaeze mata na ndị Ọka kpanyere Egwu Imo Ọka ha aka ekpe bụ nke so n'otu ihe na-agba nkwenye na omenala ndị Ọka ose n'anya n'oge a. Ọ ge-abụ ihe dị mma ka ọhanaeze were akwụkwọ nchọcha a gụọ nke ọma, ha ga-achọpụta ihe nke ga-abara ha uru, bụ nke ha ga-esite na ya wee weghachitekwa mmetụta Egwu Imo Ọka na ndị Ọka dị ka o si kwesị ma mee ka Egwu Imo Ọka laghachi n'egwu na amụ, mmekọrịta ịdị n'otu na ịhụnanya ahụ nke na-apụta ihe n'Egwu Imo Ọka kwudosie ike ọzọ.

**Edensibịa**


Abrams, M.H. (2005). *A Glossary of Literary Terms*, USA: Thomson Higher Education.

Ajaegbu, C. (2024). "Masqurede harassment and cultural Decay in contemporary Igbo Festival: A study of Egwu Imoka Festival". Ama: *A Journal f Theartre and Cultural Study:* The Department of theartre and film studies. Nnamdi Azikiwe University, Awka. Nigeria. Vol. 18, No. 1. 2024. Retreved 20th May, 2025.

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu.* (Akụkọ na Omenala ndị Igbo). Enugu: Paschal Communication.

Ebisi, T.E. (2025). "Culture and Cultural Expressions in Nigeria" In Ikenna Alumona & Cynado Ezeogidi (Eds.) Nigerian Peoples and Culture: A Reader Enugu: Ryce Kovex Publishers.

Ekwenugo, P.U. (2024a). "Ntụlekọrịta Abụ Egwu Imo Ọka na Ndụ Ndị Ọka n'Oge Gboo na n'Oge Ugbu a. Ederede Seminar PhD, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Eze, N. (2024). "Harnessing Awka Traditional Festival for Tourison Promotion". *A global Journal of Arts and Humanities and Social Sciences.* Afe Isabalola University, Ade Ekiti. Vol. 2. No. 5. Pp. 43-54, July 2024. Retrieved 20th May, 2025.

Ezeuko, R.O. (2009). Ewumewu, Omenala na Nkwenye Ndị Igbo. Nkpor: Miss Founders.

Dobie, A.B. (2012). Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism, Boston: Wadsworth.

Guerin, W.L. (1992). A Handbook of Criminal Approaches to Literature, New York: Oxford University Press. Htt://webworld/unesco.or/safeguard/en/txt.Htm. accessed 20th March, 2013.

Nwagba, C. N. (2005). *Awka and the Biafran War*. Awka Sellyoak International Company

Ogene, M.S. (2010). Literary Appreciation. Enugu: Nolix Educational Publications.

Ogbalu, F.C. (1981). *Ndụ na Omenala Ndị Igbo.* Onitsha: University Publishers.

Ogbalu, F.C. (1981). Igbo Institution and Custom. Onitsha: Vasity Press.